# ỊDỊN'OTÙ NKE NZUKỌ KRAIST

**Ndi Efesọs 3:14-21; 4:1-16**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 402**

**NKe Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya mere mu onwem, bu onye nkpọrọ nime Onye-nwe-ayi, nāriọ unu ka unu jègharia dika o kwesiri ọkpukpọ nke akpọrọ unu" (Ndi Efesọs 4:1).**

**I Ekpere nke Onyeozi ahụ nye Ndị Efesọs**

1 Ime ka mmadụ ime ha dị ike, Ndi Efesọs 3:14-16; Ndi Rom 9:23; 2 Ndi Kọrint 4:16; Ndi Kọlọsi 1:11, 27

2 Ka Kraist wee bigide nime obi ha site n'okwukwe, Ndi Efesọs 3:17; Jọn 14:23

3 Ka ha wee ghọta ịdị obosara nke ịhụn'anya nke Chineke, Ndi Efesọs 3:18; 1:18; Ndi Rom 10:12

4 Ka ha wee jupụta n'òzùzù niile nke Kraist, Ndi Efesọs 3:19; Ndi Hibru 13:21; Jọn 1:16

**II Ndụmọdụ maka Ịdị n'otù nke Ndị Kraist**

1 Ijègharị dịka o kwesịrị ọkpụkpọ dị elu nke akpọrọ Onye nke Kraist dị mkpà, Ndi Efesọs 4:1; Ndi Filipai 1:27; I Ndi Tesalọnaika 2:12

2 Anaeme ka mkpụrụ nke Mmụọ Nsọ pụta ìhè ná mmekọrịta anyị n'ebe onye ọ bụla na ibe ya nọ, Ndi Efesọs 4:2; Ọlu Ndi-ozi 20:19; Ndi Galetia 5:22, 23; Ndi Kọlọsi 3:2, 13

3 Anaechekwa ịdịn'otù nke Mmụọ Nsọ nime ihenkekọ nke udo, Ndi Efesọs 4:3; Jọn 14:27; Ndi Kọlọsi 3:14

**III Ịdị n'otù nke ihe Niile Banyere Chineke**

1 Nzukọ nke Kraist bụ otù anụarụ. Otù Mmụọ Nsọ dị -- Mmụọ nke Kraist, Ndi Efesọs 4:4; Ndi Rom 1:25; I Ndi Kọrint 12:11, 12; Ndi Hibru 6:19

2 Otù Onyenweanyị dị -- Jisọs Kraist, otù okwukwe -- Òzízí nke Kraist, otù baptism -- Ọ bụ Ya tọrọ ntọala ya, Ndi Efesọs 4:5; Matiu 28:19; Ndi Galetia 3:27, 28

3 Otù Chineke dị Onye ọ bụ nime Ya ka anyị naadị ndụ ma náenwekwa oyiyi anyị, Ndi Efesọs 4:6; Malakai 2:10; Ndi Rom 11:36; I Timọti 2:5

**IV Ọlụ nke Nzukọ Kraist n'Eluụwa**

1 Enyere ụmụmmadụ onyinye dị icheiche mgbe Kraist rịgọsịrị n'Eluigwe, Ndi Efesọs 4:7-10; Abù Ọma 68:18; Ndi Rom 12:6-8; I Ndi Kọrint 12:4-11; I Timọti 3:16; Ndi Hibru 9:24

2 Arọpụtara ndịòzízí ka ewee mee ka Nzukọ Kraist zueòkè, ka aghara iduhie ụmụ Chineke site n'òzízí ụgha, Ndi Efesọs 4:11-16; Aisaia 28:9; Ndi Hibru 13:9; I Timọti 4:5

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Chineke Nna Anyị

Iheọ̀mụ̀mụ̀ a malitere n'ekpere nke Pọl kpeere Ndị Efesọs. O kwupụtara na èzínaụlọ niile nke ndị agbapụtaworo, ndị nọ n'Eluigwe na ndị nke nọ n'ụwa ka akpọkwasịworo aha nke Nna ahụ. Ná mmekọrịta anyị dịka ụmụmmadụ ọ̀ bụ naadịghị akpọkwasị anyị aha nke nna anyị nke ụwa? Site na Jisọs Kraist emewo ka anyị niile bụrụ otù ná mmekọrịta anyị n'ihe niile banyere eluigwe, ma ọ bụrụ na amụwo anyị ọzọ ma dee kwa aha anyị n'akwụkwọ nke dị n'eluigwe. Chineke abụghị Nna nke ndị ahụ nke jụrụ Ọkpara Ya na àtụ̀mààtụ̀ Ya banyere nzọpụta. Jisọs gwara ndị Farisii sị, "Unu onwe-unu sitere ná nna-unu, bú ekwensu, ọ bu kwa ihe nāgu nna-unu ka unu nāchọ ime" (Jọn 8:44). Ọ bụ mmekọrịta nke ime mmụọ nke anyị na Chineke bụ ihe mere ka ọ bụrụ Nna anyị. Chineke abụghị onye mmehie

sitere n’aka Ya maọbụ Nna nke ndị náebi ndụ nime mmehie. Ha abụghị kwa ụmụnna bụ́ ndị ahụ nke náajụ Nwanna anyị nke Okenye ma náeje dịka anụarụ si chọọ.

**Àkụ̀ Niile nke Chineke**

Akụkụ mbụ nke ekpere ahụ nke Pọl kpere bụ ka emee ka ha dị ike na mmadụ ime ha, dịka àkụ̀ niile nke ebube Ya si dị. Àkụ̀ niile nke Chineke enweghị nsọtụ. Ha niile bụ onyinye enyere n’efu. Mgbe ọgaranya na enye onyinye, anaatụ́anya na ọ gaadị ntakịrị, n’ihi na ọ pụghị inye ihe dị ukwu. Ma cheeuche ihe isiiyi nke àkụ̀ Chineke bụ! O nwekwara ike ime karịa ihe anyị pụrụ iche n’échìchè maọbụ ihe anyị pụrụ ịrịọ. Onyinye nke Chineke nyere mmadụ nke bụ Kraist bụ ọ̀tụ̀tụ̀ nke ịhụn’anya Chineke, ma ọnwụ nke Kraist nwụrụ n’ihi ụmụmmadụ bụ ọ̀tụ̀tụ̀ nke ịhụn’anya Ya.

Pọl naachọ ka Kraist bigide nime ha site n’okwukwe na ka ha wee bụrụ kwa ndị gbara mkpọrọọgwụ ma náeguzosi kwa ike n’ịhụn’anya, ka ha wee nwee ike ịghọta ịhụn’anya nke Chineke bụ́ nke náenweghị ọ̀tụ̀tụ̀.

Mmadụ nke anụarụ naadị ike site ná nri nke ụwa, ma mmadụ nke imemmụọ naadị ike site ná nri ahụ nke si n’Eluigwe. Ọ bụrụ na achọrọ ka ha dị ndụ, aghaghị inye ha abụọ nri. Ọ bụrụ na elefuru anụarụ anya, ọ gaala n’iyi. Ọ bụrụ na elefuru mmadụ imemmụọ anya, ọ gaanwụ. Pọl chọrọ ka ha mara ịhụn’anya nke Kraist, bụ́ nke náababigara ha ụba ókè riinne, ka ewee mejupụta ha n’òzùzù niile nke Chineke. Otù onye ekwuwo na mmadụ ijupụta na Chineke bụ ihe dị ukwu; mmadụ ijupụta n’òzùzù nke Chineke bụ ihe dị ukwu karịa; ma mmadụ ijupụta n’òzùzù niile nke Chineke karịrị nghọta. Ihe ọ pụtara bụ mmadụ ijupụta n’obiumeala, ịdịmma, ịdịnwayọ, ịhụn’anya, ogologontachịobi, ikpé ziriezi, ịdịnsọ, ebere na eziokwu. Mmadụ olenaole bụ ndị náegosi ụdị nke òzùzùòkè ahụ. Ọtụtụ mmadụ naegosi iheatụ́ nke dị ntà na ịtọgbọrọ n’efù.

Pọl kpereekpere ka Ndị Efesọs nweeike itoru ogo kachasị elu nime nnwapụta ha dịka NdịKraist. Ọ̀ bụ na ọ dịghị egosi izuòkè nke Nwunyeanaalụọhụụ nke Kraist? N’oge ochie, ndị eze naele izuòkè nke mmadụ n’ịrọrọ nwunye ha naalụ ọhụụ. Gịnị gaeme ka anyị ghara ịtụanya na Kraist anyị gaele anya ụdị izuòkè nke imemmụọ ahụ ná nzukọ Kraist, nke bụ Nwunyeanaalụọhụụ nke Ya, ndị ha na Ya gana ayịkọ náejeijè ụkwụ na ụkwụ n’Alaeze Ya nime ụwa a?

**Ijéijè ná Nleeruanya**

Naejègharị dịka o kwesịrị ọkpụkpọ ahụ! Òlee otú ịdị elu nke ntozuòkè anyị ra? Nime obi anyị, gịnị bụ iheọ̀tụ̀tụ̀ nke ntozuòkè nke anyị wuliworo elu? Ànyị náatụgharị uche na anyị kwesịrị ijupụta n’ịdịnwayọ, jupụta n’ịhụn’anya, jupụta kwa n’ọñụ, jupụta n’obiumeala, jupụta n’ikpé ziriezi? Ànyị naeweliri onweanyị iheọ̀tụ̀tụ̀ nke ntozuòkè dịka anyị naemere ndịọzọ?

Aghaghị ịtụ ntozuòkè nke anyị nwere n’iheọ̀tụ̀tụ̀ nke Chineke ọ gaghị abụ kwa dịka échìchè maọbụ erughịeru anyị si dị. Nzọụkwụ ọ bụla n’ọsọ nke OnyeKraist naagba aghaghị ịbụ nzọụkwụ nke agbamume, nke okwukwe, nke ịhụn’anya, nke ịdịnwayọ, nke irubere eziokwu ahụ isi. Onyenweanyị naatụ́anya ihe dị otú a n’aka anyị; ọ naewute Ya mgbe anyị naada; ma site n’ọdịda anyị, anyị nwere ike ịtụfu ọnọdụ anyị dịka Nwunyeọhụụ nke Kraist.

**Ịdị n’otù**

“N’ịdị n’otù anyị naeguzo, ná nkewa anyị naada,” ọ bụghị okwu sitere na Baịbụl kama ọ bụ eziokwu. Akọrọ akụkọ banyere otù nna onye nwere ọtụtụ ụmụ ndịkom. Otù ụbọchị ọ tụtụkọtara osisi ụfọdụ wee kekọta ha n’otù ùkwù wee weta ya nye ụmụ ya ndịkom wee gwa onye ọ bụla nime ha ka ọ gbajie ùkwù ahụ. Ọ dịghị onye ọ bụla nime ha nke nwere ike ịgbaji ya. Mgbe ahụ nna ha were ùkwù osisi ahụ, tọsasịa ya ma were osisi ahụ n’otù n’otù wee gbajisia ha, náegosi na ike dị n’ịdịn’otù.

Adụrụ anyị ọdụ ka anyị gbalisieike idebe ịdịn’otù nke Mmụọ Nsọ nime iheokíké nke bụ udo (Ndi Efesọs 4:3).

Jisọs sịrị na ọnụụzọ niile nke ọkụalammụọ agaghị aka Nzukọ Ya n’ike. N’ihi gịnị? N’ihi na ọ bụ nzukọ nke dị n’otù. Ndị òtù nke nzukọ a pụrụ ibi na Africa, America, Japan, West Indies maọbụ ebe ọ

bụla nime ụwa; ọ bụ otù Nzukọ Kraist, Nzukọ Kraist ahụ nke náebu agha n'ụwa ebe a. Otù ụbọchị ọ gaabụ Nzukọ Kraist ahụ nke Meririemeri -- Nwanyịanaalụọhụụ nke Kraist.

### Otù Anụarụ

Ejiri Nzukọ Kraist tụnyere arụ nke Kraist. Jisọs bụ isi ya. Ha niile naabụrịta ihe dị n'arụ ibe ha. Ọ dịghị nkewa dị n'arụ mmadụ. Ihe niile dị n'arụ mmadụ naalụkọrịta ọlụ n'ịdịn'otù zuruòkè na ná nkwekọrịta otù n'ebe ibe ya nọ. Ha niile nwere nrubeisi zuruòkè ma náanọ kwa n'okpùrù isi ahụ. Nime Nzukọ Kraist onye ọ bụla gaagbalịsiike maka nkasịobi na mwulielu nke arụ ahụ, na ịsọpụrụ isi ahụ, nke bụ Kraist. Pọl site na ndụmọdụ, ịdọakanántị na ịgbaume niile naagbalịisiike ịtụziaka n'ụzọ nke nzukọ Kraist gaesi zueòkè.

Otù Onyenweanyị dị -- Jisọs Kraist; otù okwukwe nye ụwa niile, okwukwe ahụ bụ kwa òzízí niile nke edepụtara n'Okwu Chineke site n'aka Jisọs Kraist na Ndịozi niile, otù baptizim, nke Jisọs tọrọ ntọala ya mgbe Ọ nọ n'eluụwa a; Otù Chineke bụ Nna nke anyị nille, ma ndị Juu ma Ndị Mbaọzọ, bụrụ kwa isiiyi nke ihe niile ekèrèèkè, Onye karịrị ihe niile elu.

### Nrịgoro na Nrịda nke Kraist

"Mgbe Ọ rigoro n'elu, Ọ dọtara usu ndi adọtara n'agha n'agha, nye kwa madu onyinye di iche iche. (Ma okwu nka, Ọ rigoro, gini ka ọ bu ma-ọ bugh na Ọ rida-kwa-ra nime akuku uwa dikarịrị ala? Onye ridara bu kwa Onye ahu Nke rigoro n'ebe kachasi elu-igwe nile elu nke-uku, ka o we mezue ihe nile.)" Jisọs nke a Onye meriri ọnwu, ọkụalammụọ na ílì n'ụtụtụ mbiliten'ọnwụ ahụ, rịgoro n'Elu náadọta ndị adọtara n'agha n'agha. N'Abù Ọma 68:18 anyị náahụ́ na Onye dere Abù Ọma naekwughachị okwu niile ahụ dịka agaasị na ọ naahụ́ onyinyo nke ndịagha meririemeri. Otùaka ahụ ná Ndi Ikpé 5:12: anyị naagụ: "Teta, teta, Debora; teta kwue okwu abụ̀: bilie, Berak, dọta usu ndi i dọtara n'agha n'agha."

N'oge ochie onye ahụ nke meririemeri ọtụtụ mgbe náanyagharị ụgbọala ya n'ámá niile nke obodo náekedo kwa ndị ahụ niile o meriri n'azụ ụgboala ya; ma nime ọjịjá nke ụmụmmadụ naájá ya, ọ naatụpụrụ ha onyinye dị icheiche site n'ọtụtụ ihe mkwata nke ọ kwatara n'agha. Jisọs rịdatara n'ụwa a dịka Chineke n'ụdị mmadụ wee hụ ahụhụ nke ịkwáemò na nkọcha nke ụmụmmadụ, akpọgburu Ya n'obe ma tọgbọ kwa Ya nime ílì, ma nke ahụ abụghị ọgwụgwụ Ya. O biliri wee rigoro n'ebe kachasị Elu nke eluigwe niile, ka O wee mezue ihe niile.

### Enyere Ụmụmmadụ Onyinye dị Icheiche

"O nye-kwa-ra ufọdu ka ha buru ndi-ozi; nye kwa ufọdu ka ha buru ndi amuma, nye ufọdu ka ha buru ndi ozízí." Jisọs naelebáanya ná ntozuòkè niile nke enwere site n'òkìkè nke dị nime ndị ahụ bụ ihe nke dị n'Arụ Kraist wee náenye kwa ha onyinye dịka ike ha si dị. Anaeme ihe ndịa niile n'ihi izuòkè nke ndịnsọ niile.

Dịka ụlọakwụkwọ dị anyị mkpà maka ịkụziri ụmụ anyị ụzọ niile nke ndụ, otú a ka ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ, ndị náezisa oziọma na ndịòzízí dị nzukọ Kraist mkpà ịkụziri Ndị Kraist ụzọ nke eziomume na iwuli ha elu n'okwukwe ahụ kachasị nsọ. Ndị ahụ dịka ụmụntà nke anaakwagharị site n'otù okwukwe baa n'ọzọ tutu rue mgbe ha ga agbanye mkpọrọọgwụ n'eziokwu ahụ. Mgbe ha tozuru òkè ịbụ ndịkom na ndịnyom dịike n'okwukwe mgbe ahụ ka ha nwere ike ịkpá ókè n'etiti eziokwu ahụ na okwuụgha.

Enyere anyị ndịòzízí ndịa na ndị ndụmọdụdụ ndịa n'Oziọma inyere anyị aka ka anyị wee bụrụ ndịkom na ndịnyom tozuruòkè nime Kraist Jisọs -- ndị ejikọtaworo ọnụ n'otù Nzukọ Kraist ahụ zuruòkè.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Kwue ihe ụfọdụ nke Pọl kpereekpere banyere ha n'ihi Ndị Efesọs.

2 Òlee otú ịdị ukwu nke ịhụn'anya Chineke n'ebe mmadụ nọ ra?

3 Òlee otú OnyeKraist gaesi náejeijè nánleruanya?

4 Kpọọ aha ụfọdụ onyinye dị icheiche nke Jisọs nyere ụmụmmadụ.
5 Mmadụ niile hà pụrụ iwere Chineke dịka Nna ha?
6 Gịnị naeweta ịdịn’otù ná Nzukọ Kraist?
7 Kwue otú Pọl jiri were nzukọ Kraist tụnyere arụ mmadụ.
8 Ònye bụ̀ Isi ya?